# NAỊJIRỊA | NIGERIA

## USCIRF– RECOMMENDED FOR COUNTRIES OF PARTICULAR CONCERN (CPC)

U.S. Commission maka International Religious Freedom (USCIRF) bụ kọmishọn nnwere onwe, nke nkwekọrịta gọọmentị etiti nke U.S. na enyocha ikikere gburugburu ụwa maka nnwere onwe nke okpukperechi ma ọ bụ okwukwe n'ime mba ofesi. Nke 1998 International Religious Freedom Act (IRFA), USCIRF mepụtara na eji ọkọlọtọ mba ofesi iji nyochaa ngabiga nke nnwere onwe okpukperechi ma ọ bụ okwukwe n'ime mba ofesi ma mebe nkwadobe iwu maka onye isi ala, ọdee akwụkwọ nke steeti, yana Nzụkọ Ọmebe Iwu. USCIRF bụ ngalaba nnwere onwe kepụrụ iche ma dị iche n'etiti Ngalaba Steeti U.S. Mkpesa Afọ 2021 na egosipụta njedebe nke ọrụ afọ nke Ndị Kọmishọna yana ndị ọrụ ọkachamara iji dekọọ mmekpa ahụ ozugbo ma mebe nkwadobe iwu nnwere onwe maka gọọmentị nke U.S. Mkpesa Afọ 2021 na ekpuchi oge bidoro na Jenụwarị 2020 ruo Disemba 2020, agbanyeghị n'oge ụfọdụ a na akpọtụrụ ihe mmemme ndị pụrụ iche mere tupu ma ọ bụ ka oge ahụ gachara. Maka ozi ndị ọzọ gbasara USCIRF, lelee weebụsaịtị ahụ ebe a, ma ọ bụ kpọtụrụ USCIRF ozugbo na 202-523-3240.

### NCHỌPỤTA NDỊ DỊ MKPA

Na 2020, ọnọdụ nnwere onwe nke okpukperechi n'ime Naịjirịa laghachiri azụ, ndị nnọchite anya steeti yana ndị na anaghị anọchite anya steeti na emegide iwu nnwere onwe nke okpukperechi ma ọ bụ okwukwe n'ụzọ jọrọ oke njọ. Agbanyeghị iwu nke Naịjirịa na ekpuchido nnwere onwe nke okpukperechi na okwukwe, ndị amaala Naịjirịa zubere ọgbaghara sitere n'aka Ndị Agha Ụka Alakụba yana n'aka ndị ọmempụ ji ngwa-ọgụ, yanakwa ịkpa oke, mkpọchi n'ụlọ mkpọrọ, yana ntaramahụhụ maka nkwụtọ sitere n'aka ndị ikikere steeti.

Ụlọ ikpe Shari'a nke Steeti na akwado nyefere ntaramahuhu siri ike n'isi ọtụtụ ndị mmadụ amara ikpe maka nkwutọ, gụnyere mkpebi ọnwụ nke onye okuegwu di afo 22 bụ Yahaya Sharif-Aminu, agbanyeghị ụlọ ikpe ka jiri ọkwa mechara rịọ ka ekpegharịa okwu nke Sharif-Aminu. Ndị ikikere gọọmentị jidekwara onye nkwagide ikikere mmadụ ama ama Mubarak Bala, ekpesara na ọ bụ maka nkwupute nke okwukwe mmadụ ọ mere n'ebe nnọkọ ọhaneze n'ịntanetị. A ka jidere Bala na enweghị ebubo ọ bụla, ndị ikikere machiri ndị otu ọkaiwu ya na ịnweta ya.

Ndị otu agha ụka alakụba nọ na Naịjirịa gara n'ihu na emegide nnwere onwe okpukperechi n'akụkụ ugwu na ọwụwa anyanwụ obodo, ma dọtịa ruo n'akụkụ nke ugwu na ọdịda anyanwụ nke obodo ahụ. Ndị si na Boko Haram yana ndị si na Islamic State na West Africa Province (ISWAP) tọrọ ma gbuo ọtụtụ ndị mmadụ n'ihi okwukwe okpukperechi ha. Ndị agha nke Boko Haram gbupuru isi nke onye isi mpaghara nke Christian Association of Nigeria (CAN) na Steeti Adamawa n'ihi na ọ jụrụ ịkpọ okwukwe ya asị, ebe ndị agha ISWAP gburu ndi oru enyemaka ise ka ihe ịdọ aka na ntị maka "ndị ahụ niile ndị ekweghị ekwe na eji iji tụgharịa Ndị Ụka Alakụba ka ha bụrụ Ndị Otu Kraịstị." Ndị jihad busoro ọtụtụ agha n'emume okpukperechi: na Mey ha busoro ndi obodo agha na akwadobe imezu obubu ọnụ Ramadan, gbuo mmadụ 20, na Julaị ha busoro ndi ime obodo agha na abịakọta ịme emume Eid al-Adha na Maiduguri.

N'etiti nke obodo ahụ, ndị ọmempụ nwere ngwa-ọgụ busoro agha n'ụlọ ofufe, emume okpukperechi, yana ndị isi okpukperechi. Emetụtara ọgbakọ ndị otu Kraịstị nke ukwuu n'akụkụ Etiti Obodo, ebe ndị ọmempụ ji ngwa-ọgụ busoro agha n'opekata mpe ulo uka 11 yana Emume Ndi Otu Kraisti. Ndị nafere kpesara na ndị otu Fulani nwere ngwa-ọgụ jiri okwu okpukperechi na eme ọtụtụ mbuso agha n'ime obodo ndị Otu Kraịstị juputara ukwuu n'ime Steeti Kaduna. Ekpesakwara na ndị ntọ kpachara anya choga Ndi Otu Kraisti maka ntọrọ na ogbugbu. Gọọmentị Naịjirịa adaala na inyocha mbuso agha ndị a ọtụtụ oge ma kpee ndị mere ya ikpe, na egosipụta ọkwa obi ume ala na agbagwoju anya n'ebe ndị ọrụ steeti nọ.

---

### NKWADOBE NKE GỌỌMENTỊ U.S.

- Zubegharịa Naịjirịa ka "obodo nwere ihe a ga-echebanyere echiche," ma ọ bụ CPC, maka isonye ma ọ bụ ịnagide, ngabiga nke nnwere onwe okpukperechi ahaziri ahazi, na aga n'ihu, dị oke ọjọọ, dị ka ndị International Religious Freedom Act (IRFA) siri kọwaa, yana zubegharịa Boko Haram ma zube ISWAP ka "ihe nke oke echiche," ma ọ bụ EPCs, maka isonye na ngabiga nke nnwere onwe okpukperechi ahaziri ahazi, na aga n'ihu, dị oke ọjọọ, dị ka IRFA siri kọwaa;
- Banye na nkwekọrịta njikọta, dị ka enyere ikikere n'okpuru Ngalaba 405(c) nke IRFA, ma nye nkwado ego na ọrụaka ejikọtara aka ọnụ, iji kenye gọọmentị Naịjirịa ọrụ iji mee ihe ndị dị ọkpụrụkpụ iji kpezie ngabiga nke nnwere onwe okpukperechi, gụnyere mana na ejedebeghị na:
    - Bulite ọzụzụ maka ndị ọrụ, ndị agha, yana ndị uwe ojii na igbochi okwu ịkpọ asị dabere na nhọrọ okpukperechi, ịzaghachi ọgbaghara mpaghara, ịkpesa ọgbaghara chere ogbe okpukperechi, ma kpughepu ndị ọrụ nche eboro ebubo nke iji nnukwu ike yana mmetọ ikikere dịịrị ndị mmadụ ndị ọzọ;

- Kwado ma dọtịa oghere ịnweta ikpe ziri ezi ma kwado ụlọ ikpe zuru ụwa ọnụ n'ime mpaghara ebe ọgbaghara okpukperechi na agbụrụ na amakọta n'usoro nke mkpalite ọgbaghara, mpụ, na ekpemikpe ọhaneze;
- Welite ego maka ndozi ngalaba nche yana usoro nke nhazi iwu, ma gụnye atụmatụ ewumewu okpukperechi n'ime nche yana mmemme mkpezi ziri ezi;
- Kesaa ego maka mmemme ndị na ejikọta ndị otu nkịtị, ndị nche, yana ndị ọrụ na mbọ njikọta iji kpuchido ebe ekpere yana ebe nsọ ndị ọzọ;

- Mee nyocha zuru oke nke enyemaka U.S. Niile na enye Naịjịrịa yana mmetụta ya n'ọnọdụ nnwere onwe okpukperechi n'obodo ahụ;
- Wepụta atụmatụ ezubere iche maka otu mpaghara ma nwee mkpakọrịta n'etiti ndị ikikere gọọmentị dị mkpa n'ime mpaghara ebe ngabiga iwu nke steeti na akwado ma ọ bụ na anabata dị ọtụtụ iji wete omume steeti n'usoro ọrụ iwu obodo yana mba ofesi;
- Kwagide oke okwu ọhaneze na Ụlọ Nnọchite U.S. dị na Abuja iji kwuputere ọhaneze nzaghachi maka ihe ọhụrụ n'ọnọdụ nnwere onwe okpukperechi na Naịjịrịa, gụnyere ikwu okwu maka mkpebi ụlọ ikpe nagidere ndị ntaramahụhụ okpukperechi, yana kwalite olu ndị amaala na ekwuchite maka ụkpụrụ nnwere onwe okpukperechi siri ike.

### NGWA NA MMEMME NDỊ USCIRF DỊ MKPA

- *Mmelite Obodo:* Ọnọdụ Nnwere Onwe Okpukperechi na Naịjịrịa na 2020
- *Akwụkwọ ihe mere eme:* Nsogbu Okpukperechi yana Ọgbakọ Ndị Fulani n'ebe Ọdịda Anyanwụ na Etiti Africa
- *Nnabata Religious Prisoners of Conscience Project (Ndị Ụlọ Mkpọrọ nke Mmụọ Okpukperechi):* *Mubarak Bala* *na* *Yahaya Sharif-Aminu*

## Okirikiri

Naịjịrịa kachasị nwee ndị mmadụ na Africa, ekpebiri na ha dị ọnụọgụ nde ndị mmadụ 219. N'ime ndị a, ekpebiri na pasentị 53.5 pụtara ka Ndị Ụka Alakụba, pasentị 45.9 pụtara ka Ndị Otu Kraịstị; ebe pasentị 0.6 pụtata ka ndị okwukwe okpukperechi ndị ọzọ, gụnyere atheism, Baha'ism, Judaism, Hinduism, Buddhism, yana okpukperechi ọdịnala nke Africa.

Iwu 1999 na ekpuchido nnwere onwe okpukperechi ma ọ bụ okwukwe ma gbochie steeti na ịmepụta okpukperechi nke steeti yana ịkpa okpe n'ihi nke okpukperechi. Koodu Mpụ nke Naịjịrịa gụnyere ntaramahụhụ nke ruru afọ abụọ n'ụlọ nga maka ịkparị okpukperechi mmadụ. Ọzọkwa, steeti 12 ndị dị n'akụkụ ugwu bụkarịrị Ndị Ụka Alakụba na eji koodu mpụ na ezinụlọ nke Islamic Shari'a yanakwa iwu nkịtị na omenala; koodu ndị Shari'a a na amachi nkwụtọ.

Okpukperechi na Naịjịrịa nwere nnukwu oke na ndụ nkịtị na ndọrọndọrọ. Enwekwara nkewa okpukperechi miri emi yana enweghị ntụkwasị obi. Oge ụfọdụ, nsogbu okpukperechi na amakọ na njirimara agbụrụ, na akpalite ọgụ okpukperechi na agbụrụ nke akwadoro site na okpukperechi na agbụrụ nke ndị emegidere' yana njirimara ndị ọmebe mpụ' ha.

Gọọmentị Naịjịrịa ugbu a na eme arụmọrụ ndị agha megidere Boko Haram na ISWAP n'akụkụ ugwu na ọwụwa anyanwụ nke obodo ahụ. Agbanyeghị ebubo nke gọọmentị etiti na ọ meriela Boko Haram, ndị otu ndị a ka bụ nnukwu ihe egwu n'ebe ndị mmadụ nọ yana na nnwere onwe okpukperechi na mpaghara Lake Chad Basin. Ekpesara na mmetọ ikikere ndị mmadụ n'aka ndị na egbochi ndị ọlụọ ọlaa na Naịjịrịa akwalitela egwu ma tinye ndụ ndị mmadụ n'ihe egwu.

### Mbuso Agha na Ụlọ Ọfụfe yana Emume Okpukperechi

Na Febụwarị, ndị agha Boko Haram busoro agha na Garkida, obodo amara ka ntọala nke Ụka nke ndị Ụmụnna n'obodo ahụagbara ọpekata mpe ụlọ ụka ise ọkụ. Na usoro nke mbuso agha na Steeti Kaduna na Machị, ndị agha Fulani a na enyo enyo gbara ụlọ ụka anọ ọkụ. Na Eprelu, ndị ji ngwa-ọgụ a na enyo enyo na ha bụ ndị agha Fulani busoro agha na emume agbamakwụkwọ Ndị Otu Kraịstị na Steeti Niger, gbuo ndị mmadụ 12 ma tọrọ di na nwunye ahụ. Na Julaị, ụmụ nwoke kpụ egbe amaghị ama gburu ndị mmadụ 18 n'emume agbamakwụkwọ Ndị Otu Kraịstị na Steeti Kaduna, merụọ ndị mmadụ 30 ndị ọzọ ahụ.

Na Mey, ndị ọlụọ ọlaa Ndị Ụka Alakụba busoro agha n'ogbe ndị mmadụ ka ndị mmadụ na akwadobe imezu obubu ọnụ Ramadan ha, gbuo ọpekata mpe ndị mmadụ 20. N'otu ọnwa ahụ, ndị jihad a na enyo enyo busoro agha n'obodo nke Maiduguri ka ndị amaala na akwadobe emume nke mmereme Islam bụ Eid al-Adha, gbuo ndị mmadụ anọ, merụọ ndị mmadụ atọ ọzọ ahụ. Na Ọktoba, ndị ọmempụ amaghị aha ha gbara ụlọ ụka alakụba abụọ ọkụ na Enugu n'akụkụ ndịda nke obodo ahụ.

### Ịme Ihe Ike nke Ndị Agha Ụka Alakụba

Ndị otu ndị na eme ihe ike nke Ụka Alakụba nọ n'akụkụ ugwu nke Naịjịrịa ka jidere ụfọdụ ala, na ebuso agha ma na emetọ ikikere dịrị ndị mmadụ n'akụkụ ugwu na ọwụwa anyanwụ nke Naịjịrịa

yana n'obosara ala nke mpaghara Lake Chad Basin. Otu aka ọzọ, ndị otu ndị a agbatịala mpaghara ha ruo akụkụ ọdịda anyanwụ, ebe ISWAP na eme mmemme na Steeti Sokoto, Boko Haram na arụ ọrụ na Steeti Kaduna.

Ndị agha ISWAP tọọrọ ma gbuo Ropvil Daciya Dalep, nwa akwụkwọ mahadum bụ Onye Otu Kraịstị, na Jenụwarị; tọrọ onye ukọchukwu Kraịsti yana ụmụ nwanyị abụọ na Steeti Borno na Ọktoba; ma gbuo ndị orụ enyemaka ise ka ihe ịdọ aka na ntị maka "ndị ahụ niile ndị ekweghị ekwe na eji iji tụgharịa Ndị Ụka Alakụba ka ha bụrụ Ndị Otu Kraịstị." Ndị agha Boko Haram kpụrụrụ Onye Ụkọchukwu Lawan Andimi, onye isi CAN na mpaghara dị na Steeti Adamawa, emechara gbupu ya isi, ekpesara na ọ bụ n'ihi o kweghi ikpo okwukwe ya asi. Na Disemba, ka ha yichara egwu ibuso Ndị Otu Kraịstị agha n'oge ọnwa Ekeresimesi, ndị agha Boko Haram mere mbuso agha atọ n'ogbe Ndị Otu Kraịstị n'akụkụ ugwu nke Naịjịrịa, gbuo opekata mpe ndi mmadu 12 ma kpụrụ Ụkọchukwu. Ọzọkwa, na Jenụwarị, otu jihad akpọrọ Ansaru putaghariri na Steeti Niger izizi kemgbe 2013, na anara ụta maka mbuso agha emere "ndi na ekweghi ekwe" mere na Ọgọst.

## Ndị Ụlọ Mkpọrọ nke Mmụọ Okpukperechi

Na 2020, ndị ikikere steeti gabigara ọtụtụ ikikere nnwere onwe nke okpukperechi ma ọ bụ okwukwe ndị Naịjịrịa, gụnyere ịkwalite mmanye nke iwu nkwutọ na ntụle nke afọ gara aga. Na Ọgọst, ụlọ ikpe Shari'a dị na Steeti Kano mara Yahaya Sharif-Aminu ikpe nke nkwutọ maka ịkparị Onye Amụma Muhammad n'ozi WhatsApp ezoro ezo ma tụọ ya amamikpe nke ọnwụ— ụlọ ikpe ka n'ọkwa mechara mebie mkpebi ahụ ma rịọ mkpeghari. Ndị ikikere Kano makwara Omar Farouk dị afọ-16 ikpe maka nkwụtọ ma jide ya n'ụlọ mkpọrọ n'afọ niile, agbanyeghị atụgharịrị amamikpe ya na mbido 2021, wee hapụ ya.

Ndị uwe ojii jidekwara onye nkwuchite ndị na ekweghị na Chineke ama ama Mubarak Bala na Eprelu 2020 ka ndị ọgbakọ nke ndị ọkaiwu nọ na Steeti Kano tinyere akwụkwọ na ebo ya ebubo ịkparị Onye Amụma Muhammad n'ihe mbisa dị na Facebook. N'ihe karịrị ọnwa asatọ, ndị uwe ojii Steeti Kano jidere Bala na enweghị ebubo ọ bụla, na amachi ohere ya ịnweta ndị otu ọkaiwu ya, ha jụrụ ịnye ezinụlọ ya ihe akaebe nke ọnụnọ na ọdịmma ya. Na Disemba, ka ọtụtụ ọnwa gachara, ụlọ ikpe etiti obodo kpeziri na njide Bala gabigara iwu, tie iwu maka nhapụ ya—agbanyeghị, n'ebe ngwụcha nke 2020, Bala nọrọ na njide nke ndị uwe ojii nke Steeti Kano na agbanyeghị ntimiwu a.

## IWU NDỊ U.S. DỊ MKPA

Na Disemba 2019, Ngalaba Steeti nke U.S. gụnyere Naịjịrịa oge izizi n'ime Ndepụta Nlele Pụrụ Iche ya maka isonye na ma ọ bụ ịnabata mmegide nke nnwere onwe okpukperechi dị ukwuu n'usoro nke IRFA. Ka otu afọ gachara, na Disemba 2, 2020, Ngalaba Steeti nke U.S. zubere Naịjịrịa ka CPC maka isonye na ma ọ bụ ịnabata mmegide ndị dị ukwuu n'okpuru IRFA, ụkpụrụ nke USCIRF kwadoro kwa afọ kemgbe 2009. Agbanyeghị, n'otu oge ahụ ọ banyere na nzube CPC ahụ, Ngalaba Steeti ahụ nyere mwezuga nke ntaramahụhụ ọ bụla dị ka achọrọ n'ime "mmasị obodo ndị dị mkpa nke United States," n'usoro nke Ngalaba 407 nke IRFA.

Ego U.S. na enye Naịjịrịa gara n'ihu na akwalite enyemaka ndị mmadụ yana ntolite akụnụba obodo. Na Nọvemba, United States na Naịjịrịa jikotara nzụkọ nke njikọta megidere Islamic State ma kwupute nkwa ha na imeri Boko Haram na ISWAP. Mbọ mkpakọrịta ụka nke U.S. na Naịjịrịa gụnyere nhazi mkpezi ọgbaghara na enweghị nsogbu na mpaghara ndị na enwe nnukwu ọgbaghara yanakwa inyocha okwu nke ndị ụlọ mkpọrọ nke mmụọ okpukperechi.

Na Nọvemba, sotere ndị ikikere Naịjịrịa iji ike aka kwụsị ndị ngagharị iwe na agagharị maka mmegbu ndị uwe ojii, Ndị Otu Isi Ojiii nke Ọmebe Iwu zigara leta n'aka Onye Isi Ala Muhammadu Buhari na ekwutọ ọgbaghara nke steeti kwadoro megidere ndị ngagharị iwu na anaghị ebute ọgbaghara na Naịjịrịa, na akpọ maka mkparịta ụka. Ndị Nnọchite Anya nke Texas bụ Al Green na Joaquin Castro webatara mkpebi na akwado ndị ngagharị iwe n'ala nke Ụlọ Ndị Nnọchite Anya nke U.S.